IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# David Onye Ọzụzụ Atụrụ



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

N’oge dị anya gara aga, n’oge Sọl bụ eze nke Izrel, otu nwa okorobịa aha ya bụ Devid nyeere ụmụnne ya asaa aka ilekọta atụrụ nna ha.  Ọ bụ ezie na Devid bụ ọdụdụ nwa, Devid bụ nwoke nwere obi ike nke hụrụ Chineke n'anya ma tụkwasị ya obi.  O biri n’obodo Bethlehem.



N'otu oge, ọdụm wakporo ìgwè atụrụ ka ọ dọkpụru obere atụrụ maka nri anyasị. Nwata ahụ bụ Devid wakporo anụ ọhịa ahụ. Ọ dọpụrụ nwa atụrụ ahụ n’aka ya, jide anụ ọhịa ahụ na-egbu egbu n’ajị agba, gbuo ya. David maara na ọ bụ Chineke nyeere ya aka.





Samuel, onye amụma Chineke, ka nọ na-enwe mwute na Eze Sọl emehiela Chineke nke ọjọọ. “Rùe ole mgbe ka i ga-eruru Sọl uju?” Ka Chineke baara Samuel na mba. “M na-ezitere gị Jesi ... n'ihi na edobeere m onwe m eze n'etiti ụmụ ya.” Jesi bụ nna Devid.

Ọ bụ ezie na Samuel maara na Eze Sọl nwere ike igbu ya maka ịga chọta eze ọzọ, onye amụma ahụ rubeere Chineke isi.





Mgbe Samuel rutere, Jesi mere ka ụmụ ya ndị ikom asaa gabiga n'ihu Samuel.  Samuel wee sị Jesi, “Ọ bughị ndị a ka Jehova họpụtaworo.”   Ọ fọdụrụ naanị Devid, bú nke ọdụdụ.  Ọ gara ilekọta atụrụ n’ọhịa.  Ha wee mee ka Devid bata. Jehova wee sị, “Bilie, tee ya mmanụ; n'ihi na nka bụ onye ahụ.”

N'ụlọ eze Sọl, Mọ nke Jehova siri n'ebe Sọl nọ wezuga onwe ya, o wee na-echegbu onwe ya. Ndị ohu ya chere na egwú ọma nwere ike ime ka Sọl gbanwee obi ya. Otu n’ime ha ma otu nwa okorobịa na-akpọ ụbọ akwara nke ọma. Ị̀ pụrụ ịma onye bụ nwa okorobịa ahụ? Ee, Devid.



Egwu Devid mere ka obi dị Sọl mma ma nyere ya aka iche echiche nke ọma.  Sọl gwara Jesi ka o kwe ka Devid nọrọ na-ejere eze ozi.  Mgbe ọbụla Sọl dara mbà n'obi maọbụ nwee ụjọ, Devid kpọọrọ ya ụbọ akwara ahụ.
Ọ na-enyekwa aka.



Mgbe Devid laghachiri n’ụlọ, Sọl busoro ndị Filistia nnukwu agha. Ụmụnne Devid na ndị-agha Sọl lụrụ agha. Jesi zigara Devid ka ọ gaa n’ihu agha ibugara ụmụnne ya nri ma chọpụta otú ha dị.



Otu DIKE NDỊ FILISTIA, bụ́ Golaịat, emeela ka egwu jide ndị-agha Izrel niile.



Golaịat wee tie mkpu sị, “Họpụtaranụ onwe unu otu nwoke, ka ọ gbadakwuru m!” Ọ bụrụkwa na o nwere ike ibuso m agha, m wee nwụọ, anyị ga-abụkwara unu ndị-orù, ma ọ bụrụ na mụ onwe m emee ka ọ nwụọ, unu ga-abụkwara anyị orù, na-efèkwa anyị òfùfè. Ndịkom niile nke Izrel, mgbe ha hụrụ dike ahụ, gbalagara n'iru ya, tụọkwa oke egwu.



Devid wee sị Sọl, “Ka obi ghara ịda onye ọbụla mba n'ihi ya; orù gị nwoke ga-eje buso onye Filistia nka agha.” Sọl chọrọ ka Devid yiri ihe-agha dị iche iche ma jirikwa mma-agha. Kama nke ahụ, Devid weere katapọlt ya, tụtụrụkwa mkpụrụ nkume ise na-akwọ mụrụmụrụ n'ime mmiri iyi ahụ.



Golaịat chịrị ọchị mgbe ọ hụrụ na nwa okorobịa ahụ bụ Devid eyighịdị ihe- agha ọbụla. “M ga-ewere anụ gị nye anụ ufe nke eluigwe na anụ ọhịa dị iche iche!” ka o tiri



na mkpu. “M na-abịakwute gị n'aha Jehova!” ka Devid zara ya. “Taa ka Jehova ga-enyefe gị n'aka m ... n'ihi na agha a bụ nke Jehova!”



Devid wee gbaga ozugbo gakwuru Golaịat. Ka ọ na-agba ọsọ, o si na katapọlt ya ahụ gbapụ otu nkume …. n'egedege ihu Golaịat. Goliath wee daa!

Devid wee mee ngwa ngwa buru mma-agha Golaịat bipu isi ya.  Mgbe ndị Filistia hụrụ na Golaịat anwụọla, ha gbara ọsọ maka ndụ ha.



Eze Sọl echetaghị na nke a bụ Devid ahụ onye weere ụbọ-akwara mee ka obi ya dajụọ. O were Devid mere onye-isi ndị-agha ya … mechaa bido ikwosa ya ekworo, mgbe ndị Izrel kwanyeere mmeri Devid ugwu. “Ugbua, gịnị ọzọ ka ọ ga-enwe ma e wezụga ala-eze ahụ?” ka Sọl chere. Sọl wee bido ile Devid anya ọjọọ site n'ụbọchị ahụ gawa n'iru.





Ọzọ, obi eze Sọl nọ nchekasị.  N’ihi ya, Devid wee na-akpọ egwú iji gbalịa mee ka obi dajụọ ya.  Sọl tụrụ Devid ube ya ugboro atọ.  Ma Devid gbanahụchara nke



ọbụla.  Sọl wee tụọ egwu Devid, n'ihi na ọ ma na Jehova nọnyeere ya, ma o siri n'ebe Sọl nọ wezuga onwe ya.



Ma Jonatan, bụ nwa Sọl, hụrụ Devid n'anya dịka nwanne. “Nna m Sọl na-achọ igbu gị,” ka ọ dọrọ Devid aka ná ntị. Devid wee wezụga onwe ya. Nwunye ya wee tinye ihe n'ihe ndina ya, wee mee ka Devid si na window rịda n'etiti abalị. Mgbe ndịkom Sọl na-abịa n'ụtụtụ, Devid apụọlarị.



Devid aghaghị ịgbapụ n’ebe dị anya site n’ebe Sọl nọ. Tupu ya emee nke a, ya na Jonatan gbara ndụ.  Ha kwere nkwa na ha ga na-enyere ibe ha aka mgbe niile.



N'ụzọ dị mwute, ndị enyi abụọ ahụ gawara na nke onwe ha n’otu n’otu.  Devid wee gaa chọta ebe ọ ga-ebi n’atụghị egwu na ndị-agha Sọl ga-achọta ya.



David Onye Ọzụzụ Atụrụ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

1 Samuel Isi nke iri na isii rue nke iri abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.